# “ÒNYE DIRI JEHOVA?”
## Ọpụpu 24:12-18; 31:18; 32:1-35
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 67 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN’ISI: “Gi enwela chi ọzọ tiyerem” (Ọpụpu 20:3).**

**I Akpọrọ Moses Ka Ọ Rị gota N’Eluugwu Ahụ**

1. Agwara Moses na Ọ gaanata mbadamba nkume ahụ eji mkpịsịaka Chineke dee ihe n’elu ha, Ọpụpu 24:12; 31:18
2. Moses kpọrọ Joshua rịgoro n’ugwu nke Chineke, Ọpụpu 24:13
3. Eron na Hua gaabụ ndi náazụ igwèatụrụ ahụ mgbe Moses náanọghị ya, Ọpụpu 24:14; Ọlu Ndi-ozi 20:28
4. Ebube nke Chineke naanọgide n’eluugwu ahụ mkpụrụ ụbọchị isii, Ọpụpu 24:16, 17
5. Moses naaga n’iru Chineke, Ọpụpu 24:18

**II Egbochiri Moses Ịlata Ngwangwa**

6. Ndị ahụ enweghị ntachịobi, ha wee rịọ Eron ka o mere ha chi ndi ganaeje n’iru ha, Ọpụpu 32:1
7. Eron were ọlaedo wụara ha nwaehi, Ọpụpu 32:2-4
8. Ndị ahụ chụrụ àjà dị icheiche, Ọpụpu 32:5, 6

**III Chineke Nyere Moses Iwu Ka O si N’Eluugwu Ahụ Rịdata**

9. Ndị ahụ emerụwo onweha, Ọpụpu 32:7, 8, 17-25
10. Moses naetipịa mbadamba nkume abụọ ahụ, Ọpụpu 32:15, 16, 19; Deuteronomi 9:16, 17

**IV Moses N’Ọnụụzọama**

11. Moses chéré ha akamgbá sị, “Ònye diri JEHOVA?” Ọpụpu 32:26; I Ndi Eze 18:21
12. Ụmụ ndịkom Livai niile zàrà, ewe gwa ha ka ha doo onweha nsọ, Ọpụpu 32:26-29
13. Chineke chọrọ ibibi ndị ahụ ka O wee mee Moses onyeisi nke otù mba, Ọpụpu 32:10
14. Moses naarịọarịrịọ banyere ha, Ọpụpu 32:11-13, 31, 32; Ndi Rom 9:3; Aisaia 53:12
15. “Onye ọ bula nke mehieworo megidem, ya ka M’gēhichapu n’akwukwọm,” Ọpụpu 32:33; Ezikiel 18:4
16. Ụgwọọlụ nke mmehie bụ̀ ọnwụ, Ọpụpu 32:28, 34, 35; Ndi Rom 6:23

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Iwu Ahụ Edereede**

Site n’otù nzọụkwụ rue ibe ya ka Onyenweanyị ji dupụta ndị Ya n’ala Ijipt, ime ka ndị Ijipt na ndị Ya mara kwa na Ya bụ ezi Chineke ahụ dị ndụ. Ọ kpọrutere ha n’ugwu Sainai ka Ya na ha wee bànye n’ọgbụgbandụ dị nsọ. Ha ahụwo ikpé nke Onyenweanyị n’arụ ndị Ijipt; ma mgbe Onyenweanyị rịdatara n’eluugwu Sainai nime igweojii na mkpatụ niile nke mere n’ugwu ahụ na opiike nke náadasi ụdà ike, na àmụ̀mà nke gbukwara, ndị Israel laghachiriàzụ̀ wee sị Moses, “Gi onwe-gi kpayere ayi ukà, ayi gānu kwa: ma Chineke akpayerela ayi ukà, ka ayi ghara inwu” (Ọpụpu 20:19). Lee! Ka o si wute Jehova ịhụ́ ka ndị Ya naalaghachiàzụ̀ (Ndi Hibru 10:38). Ma O gosikwara ha ebere Ya, O wee kpọọ Moses n’elu ugwu ahụ inye ya iwu Ya na ụkpụrụ Ya dị icheiche.

Ọ bụ ezie na ugwu ahụ mara jijiji, wee mee kwa mkpatụ ma náenwu kwa ọkụ, Moses zara òkù nke Chineke wee rịgo kwa nime igweojii ahụ ebe Chineke naebi. “Ka ihe ahu anēkiri si di oké egwu nke uku, Moses siri, Anamatu oké egwu, aru makwaram jijiji” (Ndi Hibru 12:21). Moses tụkwasịrị Chineke obi wee jisieike ịña Jehova ntị náagbanyeghị egwù náatụ̀ ya. Chineke chebere Moses, ọ bụ ezie na o righị iheoriri ihe karịrị iri ụbọchị anọ ehihie na abalị (Deuteronomi 9:9). Mgbe Jisọs busịrị ọnụ ihe ruru oge dị otú a, O jiri okwu ndịa guzogide Ekwensu, “Edewo ya n’akwukwọ nsọ si, Ọ bugh nání achicha ka madu gēji di ndu, kama ọ bu okwu nile ọ bula nke nēsi n’ọnu Chineke puta” (Matiu 4:4). Moses nọ n’elu ugwu ahụ ka o wee nata Okwu nke Chineke; ma dịka Job, ọ gụrụ ya ihe dị ókéọnụahịa karịa “òkè” (maọbụ “nri”) ya.

Jehova enyewo Moses iwu ahụ n’okwu ọnụ, ndị Israel ekwewo kwa mkwà irubere ya isi; ma Jehova kpọrọ Moses ọzọ n’elu ugwu ka O wee nye ha Okwu ahụ edereede. Anyị pụrụ ịhụ́ amamihe nke Jehova n’ịchọ ka ha nwe Okwu ahụ edereede. Ọ gaadịwo hàrị mfé isi n’Okwu ahụ ekwuru n’ọnụ wezuga onweha, ma ọ bụghị otú a ka ọ dị n’Okwu ahụ nke edereede. Jehova naekworo Okwu Ya ekworo mgbe niile. Abù Ọma 138:2 naasị, “I mewo ka okwu-ọnu-Gi di uku n’elu aha-Gi nile.”

**Iwu Ahụ Nke Atụpị ara**

Anyị nwere ike ikwu náetufughị oge ihe kpatara iwe Moses n’ịhụ́ Israel ka ha chigharịrị àzụ̀ n’oge náadịghịanya ikpere arụsị. N’oge nke Pọl, o juru ya anya na Ndị Galetia naesi n’amara Kraist pụọ ọsọsọ otú a ga n’oziọma dị iche (Ndi Galetia 1:6). Israel emebiwo ọgbụgbandụ ha na Chineke. Mgbe otù nime ndị so n’ọgbụgbandụ, maọbụ mnkwekọrịta mebiri ya, iwu ejighị kwa onye nke ọzọ imezu akụkụ nke ya ná mkwekọrịta ahụ. Moses tiwara mbadamba nkume ahụ; náegosi na ọ dịghị kwa iwu ji Chineke imezu akụkụ nke Ya na ọgbụgbandụ ahụ. Chineke

adịghị alaghachiazụ̀ n’Okwu Ya, ma mgbe mmadụ rapụrụ idebezu ọgbụgbandụ nke ha, nke a pụtara na egbochiwo Chineke imezu òkè nke Ya.

### Ndị Ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ

Enyewo Eron na Hua ọnọdụ ịbụ ndị ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ. N’ọnọdụ ịbụ ezi onye ọ̀zụzụ̀atụrụ, Eron mere ihe ka onye ndọrọndọrọ ọchịchị obodo -- ọ sịrị na ndị Israel chọrọ chi dị icheiche ndi ganaeje n’iru ha. Eron dịka onye ọlụ egoroego “onye aturu na-abugh nke aka ya,” kwere ka ndị Israel mee otú ha chọrọ. Moses ekwenyereghị mmehie; ma dịka ezi Onye ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ, jikekwara inye ndụ ya n’ihi ndị ahụ. Ọ bụrụ na Onyenweanyị apụghị ịtụkwasị anyị obi n’ihe ntà, Ọ̀ gaesi aña nyefe anyị nke bụ ezi àkụ̀ n’aka ná ntụkwasịobi?

### Ichéakamgbá Nke Moses Nye Ndị Israel

Mkwuwaokwu nke Moses ji guzo n’ọnụụzọama wee chee ndị Israel akamgbá bụ nnọọ ihe náegosi ezi onyeamụma nke jupụtara na Mmụọ nke Chineke. Ndị náenupuisi ka echere akamgbá ahụ -- ndị jiworo anya ha hụ́ ihe ịrịbaàmà dị icheiche, bụrụ kwa ndị kwesịrị iji mkpebi tụkwasị Chineke obi. Moses wee guzo náánị ya tie mkpu sị “Ònye diri JEHOVA? Ya biakutem” (Ọpupu 32:26).

Ebo ntakịrị ahụ nke Livai wee pụta ichè. Ọ bụ obiike nke ha nwere mere ha ji nweeike iguzopụta iche site n’etiti igwè mmadụ ahụ wee jerue n’ọnụụzọama ahụ ebe Moses nọ. Ọ bụ kwa site n’obisike ka onye mmehie gaeji zọpụ ụkwụ wee site n’etiti igwè mmadụ jerue n’ocheeze àmàrà wee rulata isiala n’ekpere. Onye Kraist bụ kwa onye obiike. Ọ naeguzoro ihe ziriezi náagbanyeghị ịchịọchị na ịkwáemò. O jikere iguzoro Okwu Chineke ọ bụ ezie na nna ya maọbụ nne ya nwereike ịma ya ikpè maọbụ chee na ọ naeme ihe nzuzu. Jisọs sịrị “Onye na ahu nna-ya ma-ọbu nne-ya n’anya kari Mu adigh ekwesim” (Matiu 10:37). Ọ bụ imegide nwanne ha, enyi ha na onyeagbataobi ha ka ha siri n’ebe ọ nọ guzopụ iche. Ọ gaewe ihe ahụ mmadụ hụrụ n’anya nke dị kwa nso mkpụrụobi ya ịbụ onye náesoụzọ Kraist. Ụgwọọlụ dị ukwu gaabụ nke ndị ahụ nwere obiike iguzoro Chineke.

Mgbe ebo Livai pụtara n’akụkụ nke Jehova, ngwangwa, omume Moses gbanwere site n’ichéakamgbá wee bụrụ nke ịgbàume. Ọ dọrọ ha akanántị ka ha chee ndụ ha n’iru Jehova dịka àjà ka O wee wụkwasị ha ngọzị. Mgbe ụfọdụ agaachọ ka anyị ji obi chụọàjà ime ihe siriike, ma Chineke naenye ike ime ihe nke Ọ naakpọ anyị òkù ka anyị mee, ma gọzikwa anyị.

### Moses Onye Náarịọrọ Ndị Ọzọ Arịrịọ

Moses naegosi ụ̀mà nke ezi onyeagha na onyendú, mgbe ọ naeguzo n’iru ụmụ Israel, ma mgbe ọ bịara n’iru Chineke ọ naeweda onweya n’ala wee daa kpue iru ya n’ala tie mkpu sị, “Biko, ndi nka emehiewo nmehie uku mere onwe ha chi ọla-edo” – náekwupụta nnọọ ihe ha mere. Ụfọdụ mmadụ naachọ ịnata ebere náebughị ụzọ kwupụta mmehie ha. Okwu Chineke naasị na onye náekwupụta ha, nke náarapụkwa ha, agaenwe obi ebere n’arụ ya. Ọ dịghị mmehie ọzọ dị ukwuu nke ụmụ Israel pụrụ ime karịa na ha gbakụtara Chineke dị ndụ àzụ̀ wee kpọọ isiala nye arụsị dị icheiche. Ihe nke bụ̀ nnọọ ihe mbụ enyere n’iwu naekwu sị “ Gi enwela chi ọzọ tiyerem” (Ọpupu 20:3).

Israel emehiewo, ma Moses naarịọ ka emere ha ebere: “Ọ buru na I gagh agbaghara nmehie ha -- ; ma ọ buru na I megh ya, biko hichapum n’akwukwọ Gi nke I deworo” (Ọpupu 32:32). Ọ̀zịzá nke Jehova bụ̀ nke ikpè ziriezi: “Onye ọ bula nke mehieworo megidem, ya ka M’gēhichapu n’akwukwọm” (Ọpupu 32:33). Asị na ọ bụghị ike Moses nwere ịgbaso Chineke mgbà n’ekpere, aga ekpochapụworị ụmụ Israel. Mgbe emesịrị, Moses gwara ụmụ Israel sị, “JEHOVA, bú Chineke-gi, gēme ka onye-amuma, nke di ka mu onwem, biliere-gi site n’etiti gi, site n’umu-nne-gi” (Deuteronomi 18:15). Anyị nwere Onyeamụma ahụ dị ka Onye náekwuchita ọnụ anyị n’ebe Nna nọ taa, Ya bụ̀ Jisọs Kraist, bụ́ Onye eziomume.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ònye dere ihe n’elu mbadamba nkume niile ahụ?
2. Ụ̀bọchị òle ka Moses nọrọ n’eluugwu ahụ?
3. Ònye ka arapụrụ ilekọta ụmụ Israel mgbe Moses náanọghị?
4. Òlee otú esiri mee ka ebube Jehova pụtaịhè n’ebe ụmụ Israel nọ?
5. Chọta amaokwu nke náakọwa omume Chineke mesoro Eron n’ogea.
6. Òlee ụzọ ise dị icheiche nke ụmụ Israel ji merụọ onweha?
7. Òlee ihe Chineke chọrọ ime ụmụ Israel?
8. Òlee ihe dị icheiche Moses ji rịọchitere ndịa arịrịọ?
9. Eron ò kwenyere na ọ bụ ya kpatara ihe ahụ nke mere?
10. Òlee ndị zara òkù nke Moses, “Ònye diri JEHOVA?”
11. Gịnị ka agwara ha mee?
12. Òlee iheọ̀mụ̀mụ̀ nke imemmụọ i nwereike ịmụta site na omume ndịa niile?